# IKPÉ NKE ÁKỤ́MMIRI IGWÉ, IGURUBE, NA ỌCHỊCHỊRỊ

## Ọpupu 9:13-35; 10:1-29

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 55 - Nke Ndiokenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ bu n'ihi nka ka M'guzoworo gi, ka M'we me ka i hu ikem, ka ewe kọ kwa akukọ aham n'uwa nile" (Ọpupu 9:16).**

**I Ikpé Nke Asaa Ahụ: Egbeeluigwé, Ákụ̀mmiri igwé, na Ọkụ**

1. Chineke dọrọ Fero akanántị banyere ahụhụ ọzọ nke gaabịakwasị Ijipt ma ọ bụrụ na ọ gaghịekwe ka Israel laa, Ọpupu 9:13-15
2. Agwara Fero n'onweya okwu pụtara ìhè n'ihi mpako ya, Ọpupu 9:16, 17; Abù Ọma 10:2; 119:21; Ilu 6:16-19; 16:18
3. Etinyere nime ịdọakanántị ahụ mkpuchi nye onye ọ bụla gaanara ya, Ọpupu 9:18-21; Deuteronomi 33:27; Abù Ọma 27:5: 46:1-3
4. Óké ajọ iheotiti ahụ nke naebibi ndụ ka ezigaara, Ọpupu 9:22-25; Nkpughe 8:7
5. Agụpụrụ Israel site n'iheotiti ahụ, Ọpupu 9:26; 8:22, 23; 9:4
6. Fero chègharịrị, ma Moses nwere obi abụọ n'eziokwu dị ná ncheghari ya, Ọpupu 9:27-30; Abù Ọma 34:18; Maika 7:18
7. Akwụsịrị iheotiti ahụ, ma Fero nọgidere n'imehie megide Chineke, Ọpupu 9:31-35; Eklisiastis 8:11

**II Ikpé Nke Asatọ Ahụ: Igurube nke sitere n'Iruanyanwụ**

1. Fero site n'ileli Chineke, wetaara Ijipt ikpé dị ukwuu karịa, nke buliri Chineke elu n'iru ndị Ijipt na ndị Israel, Ọpupu 10:1, 2; Levitikọs 26:23, 24; Ilu 1:24-27
2. Enyere Fero ịdọakanántị ọzọ ya na ohere iji mee ihe Chineke nyere n'iwu, Ọpupu 10:3-6
3. Ndịorù Fero, site ná mkweta ha kwetaara n'ọ̀tụ̀tụ̀ na Moses nwereike n'ebe Chineke nọ, ebe ha naatụ̀ egwù banyere ịnọ n'udo nke ha onweha, rịọrọarịrịọ maka Israel, Ọpupu 10:7; 7:5; 8:19
4. Fero ñara ntị n'okwu ha ma ọ chọkwara ka ekwenye n'okwu nke ya, o wee were obi mpako mee ka Moses na Eron si n'ebe ọ nọ pụọ, Ọpupu 10:8-11
5. Igurube ahụ we bịa site n'iruanyanwụ, Ọpupu 10:12-15; Nkpughe 9:1-6
6. Fero chègharịrị ọzọ ma omume ya gbanwere mgbe ewepụrụ iheotiti ahụ, Ọpupu 10:16-20

**III Ikpé Nke Iteghete Ahụ: Ọchị chị rị nke Anaebitụ Aka**

7. Ezitere ọchịchịrị ụbọchị atọ náenweghị ịdọakanántị ọ bụla na ọ naabịa, Ọpupu 10:21-23; Nkpughe 6:12; 16:10; Joel 2:1, 2, 31; Mak 13:24, 25
8. Fero chọkwara ọzọ ikwenye imezu náání ụfọdụ nime ihe achọrọ ma Moses ekweghị ya, Ọpupu 10:24-26
9. Fero mesiri obi ya ike wee nye Moses iwu dị ike, Ọpupu 10:27-29

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Égbèeluigwe, Ákụ́mmiriigwe na Ọkụ

Iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị nke atọ banyere ikpé iheotiti megide Ijipt, bụ́ nke ezigara iji mee ka ha mata na Chineke nke Israel náání bụ ezi Chineke, na agaasọpụrụ kwa Okwu Ya ma rube kwara Ya isi, meghere site ná mpụta ìhè nke ike dị icheiche anaadịghị ahụ anya. Emekwara ka iheotiti niile ahụ megide òfùfè arụsị nke ndị Ijipt, bụ́ ndị náefè ihe ekèreèkè na ihe niile anaahụ́ anya ma anụmanụ ma arụrụ dị icheiche. Ha naeche na ụfọdụ nime arụsị ha nwere ike n'ebe ihe ekèreèkè dị. Ikpé nke asaa ka ezigaara iji gosi ha na arụsị niile nke Ijipt enweghị ike ọ bụla, na ihe niile ndịa dị n'okpuru Chineke nke Israel, bụ́ Onye ahụ Fero na ọtụtụ ndị Ijipt jụworo ikwere na Ọ dị adị.

Enyere ịdọakanántị mgbe anaezi ozi banyere ọbịbịa nke iheotiti a wee kwue kwa mgbe ọ gaapụta ìhè. Ozi ahụ kwuru na ndị iheotiti ahụ tiri gaanwụ; ya mere anyị naahụ́ na óké iwe nke ikpé a dị ukwuu karịa ọtụtụ ndịọzọ, bụ́ ndị agaagụnye na ha bụ iheotiti náeweta mmekpaarụ nke náabụghị iheotiti náebibi ndụ. Agụpụrụ Israel dịka na mbụ, n'ihi na ha naatụ́ egwù Chineke, náenye kwa Ya nsọpụrụ.

### Chineke Nke Ebere

Ebere Chineke bụ otù nime ịdịmma Ya dịkarịsịrị ukwuu. Anyị ahụwo, n'iheọ̀mụ̀mụ̀ nke garaaga, otú esi mee ka ụwa mata nke a na iheọzọ nilie banyere Chineke site n'iji aha Jehova náegosi uche Chineke. Jehova naachọ izi ndịa na Ya dị adị, ọ bụghị náání dịka Chineke dị ike, nwekwara ike, kama na Ya Onweya nwekwara ihe eji amata Ya, nke ịbaụba ya náenweghị nsọtụ nke náewetara onye kwereekwe nkasịobi na obi izuike. Ọ bụ ezie na Ọ chọrọ igosi ha ike ebighịebi Ya na amamihe Ya site n'ọlụebube ndịa, ma site n'ihe ndịa niile, site n'ịgụpụ Ụmụ Israel n'iheotiti ndịa na site n'ịdọakanántị enyere tupu iheotiti nke ákụ́mmiriigwe abịa, Ọ naachọ kwa igosi ha ebere na ịhụn'anya Ya.

Chineke pụrụrị isite n'eluụwa bipụ mba Ijipt. Ọ pụkwara ime ụwa náajụ Kraist otù aka ahụ taa. Ma n'ọnodụ nke a Ọ rọpụtara ịgbalịsiike, imeso n'obiọma, na iwere ndidi na ịhụn'anya ebighịebi náedu ha. N'ọgbọ niile nke akụkọ ụwa, Ọ naaña ntị n'ákwá onye ahụ nke náechègharị n'ihi mmehie ya, sị, "Chineke, ka obi Gi juru n'ebe mu, bú onye nmehie, nọ," ka O wee zaghachi, "Agbagharawo gi nmehie gi nke di ọtutu." Anaanụ kwa olu Ya ma taa! Ọ ka naachọ kwa ndị kpafuworo! Ọ naeji kwa ebere náemeso ndị ahụ náanọghị nime ịbaụba nke amara a náenweghị nsọtụ.

**Nchègharị Náesighị Nime Obi Pụta**

Ma oge ruru mgbe ndị Ijipt nwere mkpebi ikpéazụ, mgbe ahụ anaezigara ha iheotiti niile ahụ. Ndị jụrụ ebere Chineke furuefu. Emesịrị merie ọbụná obodo ahụ. Chineke naemeso mmadụ niile n'otù n'otù iji weta onye ahụ n'ọnọdụ nchègharị. Ụfọdụ naekwere -- ndịọzọ adịghị ekwe. Ikpé nke dakwasịrị Ijipt yiri ikpé niile nke ikpéazụ nke agaezokwasị ụwa na mgbe Óké Mkpagbu ahụ. N'ụbọchị ahụ kwa, mmadụ niile ndị leliwororị arịrịọ niile nke Chineke, gaekwutọ Ya, kpọọ kwa Ya iyi, jụ kwa Ya, wee káá ọbụbụọnụ ebighịebi nke ha akàrà site n'ịnara akàrà nke Onye ahụ náemegide Kraist.

Fero chègharịrị mgbe iheotiti ahụ dịkarịsịrị ike, ma Moses ghọtara nkeọma na nruruala ahụ abụghị ezie. Ezi nchègharị naenwe ezi nghọta nke ebere Chineke nime ya, ọ bụghị náání iruuju na ịkpọ mmehie asị. Ezi nchègharị naakpọ mmehie dị mgbe ahụ asị ọ bụghị náání n'ihi amamikpé nke gaadịrị mmehie ahụ -- ọ na akpọ mmehie asị karịa ihe niile n'ihi na onye ahụ nke náechègharị amatawo ịhụn'anya Chineke. Nchègharị Fero enweghị ihe ndịa dị mkpà. O chègharịrị náání iji wepụrụ onweya ahụhụ dịrị mmehie ma ọbụghị n'ihi na ọ rọpụtara ime onweya onye ịhụn'anya Chineke gaabịakwasị na onye ganaedebe iwu niile nke Chineke. Moses hụrụ adịghịadị nke ihe a, wee were ikwesị ntụkwasịobi gwa eze a náebuli onweya elu ezughịòkè ya. Nchègharị nke sitere n'ịtụ̀ egwù náání bụ nchègharị náadịghị anọgide.

**Igurube Sitere N'iruanyanwụ**

Ndị Ijipt naekwenye na iheotiti nke náebibi ihe akụrụ n'ubi nke náabịakwasị ala ọ bụla naegosi iwe nke arụsị ha. Ma Chineke zigaara iheotiti nke igurube n'ịbaụba dị ukwuu karịa mbibi nke ụmụ arụrụ ọ bụla nke ha hụworo mgbe ọ bụla. Ọ bịara dịka Moses si kwue, nke mere na ọ dịghị obi abụọ dị na ọ bụ Chineke nke Israel zitere ya. Ọ dịghị ihe ọ bụla chi ha niile maara banyere ya. Ebe ọ dị ukwuu karịa nke ọ bụla ha hụworo na mbụ, ha gaekweta na Chineke nke Israel dị ukwuu karịa chi niile nke Ijipt.

Ọzọ kwa, anyị naahụ́ iheatụ̀ nke nchègharị náesiteghị n'obi. Fero gwara Moses na Eron ka ha rịọrọ ya arịrịọ, ma nchègharị ya bụ ihe dịrị náání nwa oge. Mgbe ewepụsịrị iheotiti ahụ, o chigharịrị obi ya, megide Chineke ọzọ -- náekwesi obi ya ike karịa ka ọ dị na mgbe ọ bụla – o kweghị kwa ka Israel rapụ. Ihe metụtara Fero karịa bụ ka Chineke wepụ iheotiti ahụ, ọ bụghị ka ya onweya bụrụ ezi orù Chineke.

**Ọchị chị rị Nke Apụrụ Ibitụ Aka**

Iheotiti nke ọchịchịrị metọrọ chị anyanwụ Ijipt. Ọ bụ ụdị ọchịchịrị ahụ nke gaekpuchi ndị niile náagaghị echigharịkuru Chineke. Ụbọchị atọ nke ịchọgharị ụzọ nime ọchịchịrị nke apụrụ ibitụaka, nke dị ukwuu karịa akụkọ niile dị icheiche nke ndị náachọ ịma otú ụbọchị gaesi dị, pụwororị ime ka ha gbue ikpere n'ala n'ezi nchègharị. Agụpụrụ Israel, n'ihi na anyị naagụ na "Umu Israel nile nwere ihè n'ebe-obibi nile ha."

Ma obi Fero kadị kwa ike megide Chineke; ma iji mee ka ọchịchịrị a pụọ ọ gwara Ụmụ Israel ka ha jee n'ọzara dịka ha si chọọ, kama ka ha rapụ ìgwè ewu ha na ìgwè atụrụ ha. Moses nwere ụdị obi ezi onye Kraist ọ bụla kwesịrị inwe -- mmụọ kwesịrị ntụkwasịobi nke naagaghị ewepụ maọbụ tinye ihe n'ihe niile Chineke nyere n'iwu. Chineke ekwuwo na ha onweha na ìgwè ewu na atụrụ ha gaeje, Moses gbagidere ụkwụ n'okwu ahụ. Ọ sirị, "Agagh-arapu otù ukwu-anu."

Nzaghachi Moses zaghachiri mere ka obi Fero dị ike karịa ma iwu Fero nyere ka ha ghara ịhụ́ iru ya ọzọ naegosi n'ezie ọnọdụ obi ya -- ọnọdụ nnupuisi megide Chineke mgbe niile. Ọ dịghị mkpà ka anyị mata na agwara Moses ihe niile banyere àtụ̀màátụ̀ Chineke, maọbụ na ọ bụ náání ntụkwasịobi nke okwukwe (Ndi Hibru 11:27) mere ka ọ zaghachi "Nke-ọma ka i kwuworo; m'gagh-ahu kwa iru-gi ọzọ." Arịrịọ ya niile nke ọ rịọrọ Fero ka o kwee rapụ Israel eruwo ọgwụgwụ. Ihe nke mere site n'ugbu a gaa n'iru bụ n'ụdị iji ike mee ya site n'aka Chineke, ọ bụghị n'ụdị arịrịọ Chineke. Fero emewo mmehie n'ụbọchị amara ya niile wee nọ n'ọnọdụ obiike nke dị ukwuu karịa. O kweghị ịnara ohere niile dị icheiche nke Chineke nyere ya iji chègharịa ma ugbu a ihe fọdụrụ bụ náání izigara ya ikpé nke ikpéazụ̀, ya na obodo ya nke ndị naekweghị ekwe.

**Onyendú Nke Apụrụ Idù**

Site n'usoro iheọ̀mụ̀mụ̀ banyere ikpé niile nke bịakwasịrị Ijipt; anyị hụtara ọtụtụ eziokwu dị ukwuu. Ọ bụ ezie na ọ di kwa ọtụtụ nime ihe anyị gụworo nke agaewepụtara anyị mgbe Mmụọ Nsọ naedú anyị náaga n'iru. Ma ọ dị otù eziokwu dị ukwuu nke anyị náagaghị arapụ imetụ aka.

Moses bụ onye ndú dị ukwuu, o nwere ihe pụrụ iche anaahụta n'ile ya anya, ọbụ kwa onye náagbasimgbá ike náeme ihe; ọ bụ kwa, n'otùaka ahụ, onye dị umeala n'obi nke ukwuu, karịa mmadụ niile ndị bi n'elu ụwa. Ma ọ dị

otù ihe ọma ọzọ dị ukwuu dị na ndụ̀ Moses nke anyị na amụta mgbe anyị naamụ banyere ndụ ya. Ọ bụ onye naelezi anya n'ịgbaso Chineke n'ụzọ niile, ma ewezuga n'otù mgbe dị ilu nke ọ kwụrụóké ụgwọ n'ihi ya.

"Ayi onwe-ayi amagh ihe ayi gēji fè JEHOVA rue mgbe ayi gabia rue ebe ahu." Ọ gaabụworị ihe dị mfé nye Moses, mgbe ahụ ike gaagwụsịwo yarị site n'ogologo ajọ mgbagha nke ya na Fero bụ́ onye náakpọ Chineke asì naagbagha, na ọ̀gaekweta n'ihe Fero kwuru. Ọ pụrụrị iche nke bụ eziokwu, na ha nwere iruọma isi n'Ijipt pụta, ọbụná ma ọ bụrụ na ọpụpụ ha gaeme ka igwè ewunaatụrụ ha niile maọbụ ụfọdụ nime ha fue.

Ma Moses naeso Chineke, Chineke agwawo kwa ya na Ya gaje ịnapụta Israel. Chineke kwere mkwa na ndị Israel gaewere ọbụghị náání ihe niile nke bụ nke ha, ma ha gaesi kwa n'aka ndị Ijipt nata àkụ̀n'ụba nke Ijipt. Moses ikweta ihe ọ bụla náabụghị nke a, gaabụworị na ọ naeche na ọ dị ihe Chineke náapụghị ime. Ya onweya amaghị otú agaesi mezue ihe ndịa niile, ma o juru ya afọ ịgbaso Chineke, na nzọụkwụ na nzọụkwụ, rue mgbe agaemezu uche Chineke.

Lee ụdị ihe mmụta n'otù ihe a náání! Ọtụtụ mgbe na ndụ anyị "ayi onwe-ayi amagh ihe ayi gēji, fè JEHOVA, rue mgbe ayị gābia rue ebe ahu." Ma ọ bụ ihe nwuta, na ọtụtụ mgbe anyị naebutere Chineke ụzọ wee ghara imezu uche Ya niile, mgbe ọ bụ na ichere nwa oge ntà gaewetara anyị izuòkè nke ngọzi nke Chineke nwere nye anyị. Ndụ nwoke maọbụ nwanyị ọ bụla dị ukwuu nke Chineke naegosi anyị otù eziokwu ahụ. Ọ bụrụ na anyị gaadịrị Chineke ukwuu, anyị gaabụ ndị kpebiri ịso ya -- ọ bụghị ịgbaọsọ gaa n'iru – Onyendú nke Nzọpụta anyị. Náání Ya maara ụzọ! Náání Ya maara ihe kachasị mma nye anyị! Náání Ya maara ihe niile banyere anyị! Ọ hụrụ anyị n'anya, ihe gbasara anyị naemetụ Ya karịa otú ọ naemetụ onye ọ bụla ọzọ ná ndụ anyị!

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị bụ iheotiti ikpé nke asaa emere ka ọ bịakwasị Ijipt?
2. Àdọrọ ha rị akanántị nkeọma na iheotiti a naabịa nke gaeme na ha pụrụrị ịgbanarị iwe ya?
3. Gịnị bụ okwu ekwuru iji gosi omume ọjọọ Fero n'oge a?
4. Iheotiti a, ọ̀ bụ nke naebibi ndụ̀?
5. Gịnị bụ omume Fero, gịnị bụ kwa ọzízá Moses nyere ya?
6. Kọwaa otú iheotiti nke asatọ si dị na ebe o bibiri ihe rue.
7. Àdọrọ ha akanántị banyere iheotiti a Òlee kwa ụzọ o si bịa?
8. Gịnị ka ndịorù Fero gwara ya mgbe oké iwe nke iheotiti a tiri ha?
9. Kọwaa otú iheotiti nke ọchịchịrị si dị, na otú o si metuta Israel.
10. Gịnị bụ iwu Fero nyere Moses, ọ bụ kwa gịnị ka Moses zaghachiri ya?